Rec'd Feb. 1982 from Dr. D. M. Wa[illegible]en of Iowa State Univ.

# ALA BINGO

## Akụkọ arọrọ arọ

SI N'AKA
D. N. ACHARA
(Certificated Teacher, Methodist Mission)

Uthman Ibrahim, nwanta akwụkwọ na Government College, Ụmụahịa, sere ụmụ ihe oyiyi n'akwụkwọ a

Approved by the
Igbo Text Book Sub-Committee
for use in Schools

A.E. ONYEWUE'S BOOKS AND STATIONERY STORES ... MAIN MARKET, UMUAHIA

LONGMAN NIGERIA

Longman Nigeria Ltd
Ikeja, Ibadan, Oshogbo, Benin, Enugu and Zaria

Associated companies, branches and
representatives throughout the world

© Longman Group Ltd 1963

All rights reserved. No part of this publication may be reproduced, stored in a retrieval system, or transmitted in any form or by any means, electronic, mechanical, photocopying, recording, or otherwise, without the prior permission of the Copyright owner.

*New edition, transliterated into official orthography 1963*

*Reprinted 1970*

ISBN 0 582 63605 1

Printed by: Litografia A. Romero, S. A.
Tenerife (Spain). D. L. 951-1970

# AHA ISI

ibe akwụkwọ

1. Eze Ọgara ọlu n' afọ lọta n' afọ . . . . 3
2. Eze hụ nzọ ụkwụ mmụọ . . . . . 4
3. Agụụ butere a jụchaa a nara . . . . 7
4. Ọgara ọlụ n' afọ lọta jụta onye nwe nzọ ụkwụ 10
5. Mma nke anụ ahụ nwanyị wụrụ eze oyi n' ahụ . . . . . . . . . 11
6. Eze gbalịa nke ugbo abụọ . . . . . 14
7. E mechaa aka eze kpara Ya . . . . . 16
8. Ọlụlụ nwụnye . . . . . . . . 19
9. Ihe mere ọkpara na-anọchi anya nna Ya . 24
10. Ihe Mgba Kọrọ . . . . . . . 26
11. Ihe Mgba Kọrọ . . . . . . . 29
12. Akụkọ abụọ Ọgụ kọrọ biri okwu . . . . 33
Igbo-English Glossary . . . . . 36

# ALA BINGO

## ISI 1

### *Eze Ọgara ọlụ n' afọ lọta n' afọ*

N' ala Bingo otu onye dị. Ọ bụ onye nwere ike n' ebe ihe nile dị. Ọtụtụ mgbe ọ na-agba madụ nile gharịị otu anyị si enwe ihe a na-akpọ ọkọchị na udu miri. Ọ bụ onye eze a na-eme ihe nile ndị a. Ebe o wuru otu ụlọ ya bụ n' elu igwe; ebe o wuru nke ọzọ bụ na Bingo. Aha ya ọzọ bụ Ọgara ọlu n' afọ lọta n'afọ. Ihe mere e jiri nye ya aha dị otu a bụ nke a: ọ bụrụ na ọ hapụ ụlọ ya nke dị na Bingo jee n'ụlọ ya nke dị n'elu igwe, ọ gaghi alaghachi ruo ihe dị ka ọnwa iri na abụọ. Mgbe ọ bụla anyị nwere udu miri n'elu ụwa mgbe ahụ bụ mgbe ya onwe ya nọ n'elu igwe, ma mgbe anyị nwere ọkọchị mgbe ahụ ka ọ nọ na Bingo.

Bingo bụ ezi ala nke na-eme ihe ọ bụla nke a kụrụ n'ime ya too nke ọma ma mịa kwa ezi mkpụrụ. Ọ dịghi onye maara ụzọ nke e si eje n'ala ahụ ma ọ bụghi nanị eze ahụ. Ọtụtụ oge, mgbe madụ na-awaghari n'ọhịa ọ na-afọdụ nwa ihe nta tupu ha eruo ala Bingo ahụ. Unu ga-echeta ihe m gwara unu na mpalite akwụkwọ a sị na Madụ ahụ bụ onye were ike n'ebe ihe nile dị. O nwere otu akwụkwọ osisi a na-akpọ akwụkwọ njụ ọhia. Madụ ọ bụla nke akwụkwọ osisi a mesara n'ahụ anaghi amakwa ihe ọ na-eme, ma ọ bu ebe ọ na-aga, ma ọ bụ ebe o siri bịa. N'ime oke ọhịa nile nke dị n'ụzọ nke e si eje ala Bingo ahụ madụ a mere ka osisi ahụ nke akwụkwọ ya na-eme ka madụ

fuo ụzọ na-eto; ka ọ ga-abụ na mgbe ọ bụla onye ọ bụla chọrọ ụzọ ijeru ala ahụ nso akwụkwọ osisi a ga-emesa ya n'ahụ, mgbe ahụ ọ gaghi ama kwa ebe ọ na-aga ma ọ bụ ebe o siri bịa.

## ISI 2

### *Eze hụ nzọ ụkwụ mmụọ*

O nwere ụmụ ntakịrị abụọ. Nne ụmụ ntakịrị abụọ ndị a bụ nwanyị nke nọ na-ebi n'ime osimiri Bingo. Mgbe nile onye eze ahụ na-abịa n'osimiri a ịsa miri ọ na-ahụ nzọ ụkwụ dị ka nzọ ụkwụ madụ. Ịhụ ya gbara ya gharịị n'ihi na o chere na ọ dịghi onye maara ala ahụ ma ọ bụ miri ahụ ma ọ bụghi nanị ya. O were malite iche nche n'ebe ahụ. Mgbe ụfọdụ ọ na-ahapụ ụlọ ya na-eche nche n'akụkụ osimiri site n'ụtụtụ ruo anyasị ma ọ dịghi onye ọ na-ahụ. N'echi ya mgbe ọ bịara ịsa miri ọ hụkwa nzọ ụkwụ dị miri miri nke gosiri na onye nwe ya bịara n'ebe ahụ mgbe ọgaranya ahụ lara n'ụlọ ya. O were chebe n'ime obi ya ihe ọ ga-eme ka o were zute onye ahụ. O wee malite ịwụsa mkpụrụ sitere n'ubi n'ebe ahụ si, "M ga-ejebido ya mgbe ọ ga-anọ na-eri ihe ndị a" Mkpụrụ mbụ o buru ụzọ wụsa bụ mkpụrụ añara. Ma n'echi ya mgbe ọ bịara ile ma ọ dị onye tara mkpụrụ añara ahụ ọ wụsara, ha dịkwa otu ha dị mgbe ọ wụsara ha. O wee bute nkata elili wụsa. Ọ dịghikwa onye metụrụ ha ọnụ. O butekwasịkwa abọ akịdị, onye ahụ ekweghi ata akịdị ahụ. O site n'isi wụsachaa mkpụrụ ihe ọkụkụ nile nke dị n'ubi ya ma ọ dịghi nke onye ahụ kwere imetụ ọnụ. Otu ihe o chefuru ịwụsa bụ ahụekere.

Onye eze a were na-eche na ọ ga-abụ ji bụ ihe ga-adị onye ahụ mma. O buru abọ ji jee wụsa; ma





"Ọ na- ahụ nzọ ụkwụ."

madụ ahụ ekweghi eri. O burukwasị abọ ede jee wụsa. Ihe nile dịkwa di ka ha dị nambụ. Ọrịrị were ju ya obi bayere ihe ọ ga-eme ka mkpụrụ anya ya rutụ onye ahụ. Mgbe nile ọ na-eche na onye ahụ ga-alụsa ya ọgụ mgbe ọ hụchara dị ka ya onwe ya bụ eze ahụ si biri. N'ikpeazụ o were ụmụ irighiri ihe ọma nile nke o nwere ike ịhụ na-edobe n'ebe ahụ. Mgbe o mechasịrị ihe ndị a nile ma ọ dịghị nke gaara ya nke ọma, ọnụma were ju ya obi.

O ruo mgbe ọ nọdụrụ n'ebe ahụ ọnwa iri na abụọ, o were laghachi azụ n'elu igwe, kpọkọtakwa ndị ya nile were ihe nile nke ọ hụrụ n'ala Bingo kọchachaara ha. Mgbe ahụ ọ sịkwara ha na onye ọ bụla nke nwere ike ikwuru ya ihe ya ga-eme ka ya wee hụ madụ ahụ anya na ya ga-eme onye ahụ onye ukwu n'etiti ndị ohu ya nile. Ụmụ ohu ya gbagasịa ọhịa na ụzọ ịjụ n'ọnụ nde amamihe nile ihe nna ha ukwu ga-eme ka o were hụ onye ahụ anya.

Otu onye dị n'ime ndị ohu ya nke ọrịa ji. Ọ dịghi onye na-elekọta ya anya n'ute ọrịa ya. Mgbe nile ọ na-akwa n'ihi ọnọdụ ọjọọ ya. Ma nke kachasị nke, dị ka otu ọrịa ahụ na-ekweghi ya iso ndị ohu ibe ya ije jụọ ihe nna ha ukwu sị ha jee jụọrọ ya. Otu ụbọchị n'anyasị o were hụ ọhụ. N'ọhụ ya otu onye sịrị ya, "Guzo ọtọ n'ihi na mụ onwe m na-achọ inyere gị aka." Mgbe ahụ onye ọrịa ahụ were jisie ike bilie ọtọ. Onye ahụ were sị ya, "N'isi ụtụtụ echi mee ka nna gị ukwu bịakwute gị, mgbe ahụ ka ị ga-agwa ya ka o jee n'elu ụwa na ọ ga-ahụ otu onye ukwu nke bi n'ebe anyanwụ si awa na ọ bụ nanị onye eze ukwu ahụ bụ onye nwere ike ịgwa ya ihe ọ ga-eme ka o were hụ madụ ahụ anya,"

Ọrịrị ju ohụ ahụ obi dị ka ọ na-adị onye a tụrụ oke ahịa. Ọ bụghi omenala na ohu nwere ihe ọ gaje



ikwuru nna ya ukwu, ga-ezi ya ka ọ bịa; kama ọ bu ohu na-ewere ọkpa ya jekwuru nna ya ukwu. Ọ maghi ma ọ bụkwa madụ kwuuru ya ihe ndị ahụ nile nke e kwuuru ya; sị ọ bụkwanị ubekelefu. Ọ maara ihe nile gaje ịpụtara ya ma nna ya ukwu tara ahụhụ jeruo elu ụwa na-ahụghi onye ọ bụla. N'ihi na ọ tụghi sị ohu ahụ anaghi ebili ọtọ, o nwere olile anya na mgbe n'ihu ahụ ga-adị ya mma. Ebe ibeghiri ndụ ka ibeghiri ọnwu, ọ chọbeghi iji aka ya kpatara onwe ya ọnwu.

Nanị echiche ya ma ihe e kwuuru ya chegha ya tutu abalị bie abụọ. N'ikpeazụ ya sị na ihe abụọ dịrị nwoke n'ụwa, ma ọ bụghi ndụ ọ bụrụ ọnwụ; na ya ga-ezi nna ya ukwu ozi otu a gwara ya. Ọ bụrụ na o jee hụ onye ahụ a sị na ọ ga-ahụ, ọ dị mma; ma ọ hughi, ọ dị mma.

N'isi ụtụtụ onye ọrịa were mee dị ka mmadụ ahụ gwara ya n'ọhụ ya. Ma mgbe o ziri ozi ka nna ha ukwu bịa, iwe dị ọku ewee nna ha ukwu. Ya akụọ aka n'obi sị, "Ọ bụ gịnị ga-eme ka ohu m were zie m ozi n'ụzọ dị otu a sị ka m bịa n'ụlọ? Ọ bụchakwa n'ihi na ịhụ mmadụ ahụ anya dị m oke mkpa ka m ga-eji wee hụchaa ihe nile ndị a, ma ndị kwesiri ma ndị na-ekwesighi. Agajeghi m." Mgbe ihe dị ka otu afọ gafere, ndị ohu ya nile gbagasịrị ebe nile lọkọtachaa, ma anụ adịghi manụ, ọ dịghi onye nwere ike ikwu ihe eze ga-eme ka o were hụ onye ahụ anya.

## ISI 3

*Agụụ butere a jụchaa a nara*

Ọ dighi ihe na-aga nke ọma n'ụlọ eze ahụ. Obi ya dị njọ nke ukwu n'ihi na ọ dịghi onye nwere ike

igwa ya ihe ọ ga-eme ka o wee hụ onye ahụ nke na-abịa n' osimiri Bingo anya. Otu n'ime ndị isi ohu ya nke dụtụrụ ya ọdụ na nzuzo ka o jee mara ihe ohu ya nke dị n'ọrịa na-achọ igwa ya were kpọkọta madụ nile jee n'ụlọ eze ahụ rịọba ya ka o jisie ike jee mata ihe ohu ahụ na-achọ ikwuru ya.

Ọ bụrị ezi okwu na o kwuru na mbụ na ya agabi aza oku ma ugbu a ọ kwụgide-chakwaghi n'ihe ahụ o kwuru. Ọnọdụ ya ugbu a yiri nke nwa ntakịrị beghara akwa tutuu ike gwụ ya, nọdụ eleghari anya achọ onye ga-asi,, "Gberi," iji mepụ ya ihere n'ihu. Site nza ndị ohu ya lọtachara na-adịghi nke chọpụtara ihe eze ga-eme ka o were hụ madụ ahụ anya, obi ya bụ ka ya kee isi eriri jekwuru ohu ya nke dị n'ute ọrịa. Ma ihere ihe o kwuru n'ihu ọha ekweghi ya. Ihe ọ dighi mbụ eme banyere onye ọria ahụ, ya na-emecha ha: dị ka idupụ ka e je jụta otu ahụ dị ohu ahụ: ekpara ntụrị akpakegacha akụkụ ebe ahụ.

Nke a butere ndị ohu ya ekwuchara ha ekwucha, ekwuchaghi ha, ya kere na ya ga-aga. Mgbe o ruru n'ụlọ ya, ohu ahụ wee kọsịara ya ihe nile nke ọ hụrụ n'ọhụ ya. Eze were jikere ije n'elu ụwa n'agiga ebe anyanwụ si awa. Site n'elu igwe ruo n'ebe anyanwụ si awa na-ewe ije ọnwa asaa. N'ikpeazụ ya ruo ebe ọ na-aga.

Ọ dighi mgbe o gosiri onwe ya dị ka onye nọ na mmekpa ahụ kama o bidoro ịnya isi na igosi na ya bu ọgaranya nke na-eme ọtụtụ ihe dị iche iche. Ihe mbụ o mere bu izigara onye eze ahụ nke ọ na-ejekwuru ozi ka o dui ndị ohu ya ka ha bịa zute ya. Eze nke o zigaara ozi were jụba sị, "Onye bụ onye ahụ nke na-ezi m ozi dị otu a ka a ga-asị na ọ na-enye m iwu?" Ọ chụghi ịhụ onye eze ahụ nke si n'elu igwe anya ma ọ bụ ịnụ ihe ọ gaje ikwu.



Mgbe eze a nke si n'elu igwe hụrụ na ọ gajeghi ịnata ezi okwu ọ bụla site n'ọnụ eze nke elu ụwa ahụ ọ malite ịrịọ arịrịọ banyere omume ya n'ebe eze ahụ nọ. Mgbe ọ nọgidere n'arịrịọ ya ruo ọtụtụ ụbọchi, ndị nile nọ n'ụlọ eze tinyere ọnụ ịrịọ eze ka ọ gbaghara ya. O were gbaghara ya, jụba ya ebe o siri bịa na ebe ọ na-aga. Eze ahụ nke si n'elu igwe wee malite ịkọrọ ya ihe bụ ihe mere ya ka ọ bịa n'ihu eze.

Nke a bụ ihe o kwuru: "Abụ m eze nke na-eme ọtụtụ ihe dị iche iche. Aha m bụ Ọgara Ọlu n'afọ lọta n'afọ. Enwere m ụlọ abụọ, otu dị n'elu igwe otu dịkwa n'obodo a na-akpọ Bingo. Na Bingo bụ ebe m na-akọ ji, na ede, na ji akpụ, na ihe ọkụkụ dị iche iche nke onye ọlụ ubi na-akụ n'ubi ya. Ọ bụ m na-eme ka ọkọchị na udu miri na-abịa n'oge ha. Ọ bụrụ na alaghachi m azụ n'elu igwe ndị nile bi n'elu ụwa ga-enwete udu miri, ma ọ bụrụ na alaghachi m azụ na Bingo nde nọ n'ụwa ga-enwete ọkọchị."

"Ọ dị otu ihe nke na-enye m mmekpa ahụ. Nke ahụ bụ ọtụtụ mgbe m na-aga ịsa ahụ n'osimiri Bingo ana m ahụ nzọ ụkwụ madụ. Amaghi m ebe onye ahụ si abịa ma ọ bụ ebe ọ na-aga. Mgbe ụfọdụ m na-eche nche site n'ụtụtụ ruo anyasị na-agbalị ma aga m ahụ madụ ahụ nke na-abịa n'osimiri ahụ ma ọ dighi mgbe m hụrụ ya. Site n'ihi ya obi adịghi m ụtọ n'ihi na egwu na-atụ m ma onye ahụ ọ na-abịa imata ihe banyere ala ahụ ka o were lụsị m ọgu nara m ala Bingo ebe ihe ọkụkụ ma ọ bụ ihe ọghịgha dị iche iche na-eto nke ọma. Mụ were ihe nile nke si n'ubi m na-awụsa n'ọnụ miri ebe onye ahụ na-abịa ka m wee mata ma ọ dị ihe onye ahụ na-eri ka m were na-edobere ya nri ahụ nke na-adị ya mma, n'ihi na site na idobere ya ihe ahụ nke na-adị ya mma e leghi anya aga m ezute ya na-amaghi ama mgbe ọ nọ na-eri

nri ahụ. Ọ dịghi nri ọ bụla m dobeere ya nke ọ na-eri kama nri ahụ na-adịkwa otu m dobere ya. Obi m anọghi n'otu ebe. M were zipụ ndị ohu m kwekwa ha nkwa na m ga-eme onye ọ bụla, nke nwere ike ịgwa m ihe m ga-eme ka m were hụ madụ ahụ anya, onye ukwu n'ala m."

Ndị ohu m tinye isi n'ọhịa na n'ụzọ, mee nta mee imo, ma o nweghi isi. Mgbe ha jiri laghachichaa, ọ dịghi onye ọ bụla n'ime ha nke nwere ike ịgwa m ihe m ga-eme. Ma ọ dị otu ohu m nke tọgbọ nsụka, ya onwe ya adịghi ebe ọ gara n'ihi ọrịa. Otu ụbọchị ohu ahụ akpọ m sị ka m bịakwute ya n'ihi na ya hụrụ ọhụ, otu onye were kwuru ya na ọ bụ nanị gị bụ eze bụ onye nwere ike ikwuru m ihe m ga-eme ka anya m rutụ onye ahụ. Ọ bụ n'ihi nke a ka m jiri bịa ịhụ gị, ezigbo onye eze.

## ISI 4

*Ọgara ọlụ n'afọ lọta n'afọ jụta onye nwe nzọ ụkwụ*

Eze ahụ nke bi n'elu ụwa ebe anyanwụ si awa zara sị: "Onye nwe nzọ ụkwụ nke gị onwe gị na-ahụ bụ ada m. Ọ bụghi madụ ito nwa ya, o bituru mma aka. Ya onwe ya bụkwa onye m hụrụ n'anya karịchaa. Ọ bụ otu onye na-akọ ọgwụ biri n'ala m mere ya ka o biri n'ime osimiri Bingo dị ka azụ na anụ miri dị iche iche. N'ala anyị a otu iwu siri ike dị megide onye ọ bụla zuru ohi. Ọ bụrụ na madụ ewere ihe ọ bụla nke na-abụghi nke ya, a ga-etinye onye ahụ na mkpọrọ ohu afọ na atọ. Ọ bụrụ na a chọghi itinye onye ahụ na mkpọrọ a kwụgbuo ya. Madụ a bụ onye ọkọ ọgwụ ruru ihe e ji okoro-ọbia eme n'ụzọ nile ma nanị ihe bibiri ya bụ e debe e were, ma ọ bụ izu



ohi.

Otu mgbe ndị obodo a jidere ya n'ubi ndị ọzọ, kpụrụ ya bịa n'ụlọ m; ma site dị ka otu ụdịdị ya na ebube ya siri dị, m were tinye ya n'ụlọ mkpọrọ afọ iri. Hụbakwa ama na iwu kwuru ohu afọ na atọ ma egbubilatara m ya n'afọ iri. Mgbe ọ nọchara n'ụlọ mkpọrọ afọ iri m hapụ ya. Ihe ọzọ o mekwasịrị bụ ịpụnara ụmụ ogbenye na ndinyom di ha nwụrụ ihe ha ji biri. E were kpụtakwasị ya n'ụlọ m nke ugbo abụọ. Iwe dị ukwuu wee m n'ihi na ọ dị ka a ga-asị na ọ bụ m na-enyere ya aka izu ohi. N'ihi nke a ka m jiri tinye ya n'ụlọ mkpọrọ ohu afọ na atọ, n'ihi na a na-agwọ madụ ibi, ya ana-eto afọ, ọ ghaghi iwete ihe o debere n'ajọ ọhịa. Mgbe ọ nọchasịrị oge ya o wee pụta. Ihe ọ tụkwasịrị obi bụ ihe ọ ga-eme m nke ga-ewute m. Ebe ọ maara na m hụrụ ada m ahụ n'anya nke ukwu o were mee ya ka ọ ghọọ onye na-awị ara. Site n'isi mebiri ada m ahụ, ọ gbapụ gaa daba n'osimiri tutu ruo ta a. Amaghi m ihe ị ga-eme ka i wee hụ ya anya. Otu ihe bụ ihe na-adịkarịsị ya ụtọ mgbe o bi n'ụlọ; nke ahụ bụ ahụekere. E leghị anya ọ bụrụ na ị wụsa ahụekere n'ebe ahụ ọ ga-abịa ịta ya.

## ISI 5

*Mma nke anụ ahụ nwanyị wụrụ eze akpata oyi n'ahụ*

Eze ahụ nke si n'elu igwe bịa kelee ya nke ukwu were zọlie ịlaghachi n'elu igwe. Mgbe o ruru ụlọ, ọ kpọzou ndị ohu ya kọchaara ha otu ije ya siri dị were da ha nha sị ka ha nile butechaa abọ ahụekere otu onye otu onye. Ha nile mezuo otu ahụ. Mgbe oge nlaghachi ya na Bingo ruru o buru ahụekere ahụ nile laba. Ihe o buru ụzọ mee bụ iga ịwụsa otu abọ n'ebe

ahụ ka ọ mara ma ada onye eze ahụ nke bi na miri ọ ga-abịa ịta ahụ-ekere ndị a a wụsara. N'echi ya mgbe ọ gara ilete ebe ahụ dị ka a zara mbara. A baa n'obi eze ahụ a hụ ya ogu nzu n'ihi na ije ya alaghi n'efu. O were wụsakwa abọ abụọ ọzọ ma n'echi ya ọ dịghi ihe fọdụrụ n'ebe ahụ. Ma dị ka otu ahụekere si atọ nwanyị ahụ ụtọ ọ naghi ezo kwa onwe ya ezo ma ọli. Ọ na-abịa mgbe ọ bụla ọ gụrụ ya ịta ahụekere.

Otu ụbọchị eze ahụ ezute ya na mberede ebe ọ na-ata ihe a na-awụsara ya. N'elu ụwa nile ọ dịghi onye mara mma dị ka nyanyị ahụ. Ihu ya na-eke dị ka ọnwa. Agbịsị isi ya dị ka ajị atụrụ ndị ala bekee. Akpụkpọ ahụ ya dị ka osisi nke ọkwa nka kpụchasiri ike. Eze dị ya n'ọnụ na-enwu dị ka ọla edo. Ọchị ya dị ka a ga-asị na anwụ na-awa n'isi ụtụtụ na mgbe ọkọchị. Ụdịdị ya nile zuru oke maa mma. Mma ya mebiri eze ahụ isi, butekwasịrị ya ahụ ọkụ. Ọ dịghi ihe ọ na-ekwu karịa ada eze ahụ. Nrọ ya na echiche ya nile dị n'ahụ nwa agbọghọ ahụ. Agụụ anaghi agụkwa ya ọzọ. Nanị ịhụ ya anya na-eju ya afọ dị ka nri. Ọ naghi ebi kwa n'ụlọ ya na Bingo kama ọ bụ n'akụkụ osimiri Bingo ka ọ na-anọ mgbe nile. Mgbe ụbọchị ole na ole gasịrị dị ka otu ịhụ n'anya ya n'ebe nwa agbọghọ ahụ si dị ukwuu, o nwekwaghi ike igbochi onwe ya site ịga jide ya n'ahụ. Mgbe ọ bụla ọ chọrọ ijide ya nwa agbọghọ ahụ agba-chachi azụ n'ime osi-miri. Echiche ihe ọ ga-eme ka o were jigide ya na-eche ya.

Otu ọrịrị abata ya n'obi o wee sị na ihe ya ga-eme bụ igwu ala lie onwe ya wụkwasịkwa ahụekere n'elu ya: ka ọ ga-abụ na mgbe ọ bịara ịta ahụekere ahụ o jide ya. Otu a dị ya mma n'obi. O were gwuo ala lie onwe ya meekwa dị ka o kwuru. Mgbe nwanyị ahụ bịara ịta ahụe-kere, o were jide ya n'aka ma ahụ



nwanyị ahụ na-agbụ agbụ dị ka ọkwụrụ. O nweghi ike ijide ya.

Eze ahapụ Bingo laghachị kwa azụ n'elu igwe. Mgbe o ruru, ahụ ya jọrọ njọ nke ukwu n'ihi echiche ihe ọ ga-eme ka o were jide abụba ugo ahụ. Ndị ụlọ ya agbazuo na-ajụ ya ihe na-eme ya o jiri dị ka onyinyo. O wee kọchasịa ihe nile n'ihu ndị ohu ya; ha nile nụrụ iyi na ha ga-enye aka ijide nwa agbọghọ ahụ. Chi ọ bọrọ abọ abọghi, ọ kpọrọ ha nile lawa n'ala Bingo. Mgbe o ruru n'ebe ahụ o gwuo ala lie onwe ya wụkwasịkwa ahụekere n'elu ya dị ka o mere na mbụ. Mgbe ahụ o mekwara ka ohu ya nile zoo onwe ha n'ọhịa ka ọ ga-abụ na mgbe nwanyị ahụ ga-agbaghachi azụ na miri ka ha were jigide ya.

Agụụ ịta ahụekere na-agụsi ada eze ahụ ike n'ihi na site n'oge ọgaranya ahụ gara n'elu igwe ọ dịghi ihe ọ tara. Mgbe a wụsara ahụekere ahụ ngwa ngwa ya pụta malite ịta ya. Ebube na ụdịdị ya kọọ ụmụ ohu eze ahụ izii. O kwekwaghi ha chete ịbịa inyere eze aka mgbe ọ na-achọ ijide ya ma ọ bụ ime ka nwanyị ahụ ghara ịlaghachi n'osimiri. N'ikpeazụ nwa agbọghọ a agbaghachi na miri. Iwe eze dị ọkụ n'ebe ndị be ya nọ karịsịa, n'ihi na o chere n'obi ya na ndị ohu ya na-akwa ya emu. Ha nile malite ịrịọ ya na-ekwuru ya na ọ bụ ebube na ụdịdị nwanyị ahụ bụ ihe mere ka ha ghara ichete ihe ha bịara, na mma ya kọrọ ha izii.

Ụbọchị ọzọ ha bịara, ha mekwara otu ha kwuru ma n'oge a ụfọdụ ndị mma ya jidekwara enyeghi aka mgbe a na-achụ ya o were gbanahụ ha gbaba na miri. N'ụbọchị nke atọ ha nile taa onwe ha ụta sị na ọ bụrụ ọgwụ o reghi, na otu na otu ọ dịla ha ga-agbalị ijide ya. Eze were gwuokwa ala dị ka otu ọ dị mbụ na-eme wụkwasịkwa ahụekere ma ọ bụ asi boko.

Mgbe ada eze bịara ịta otu ọ dị mbụ na-ata, eze jigide ya. Ma ebe ahụ ya na-agbụ dị ka ọkwụrụ, ya gbụchapụnahụ ya. Ndị ohu ya nile gbalịa elu gbalịa ala, dị ka otu ha nwere ike, mgbalị ha bụrụ nkịtị.

Anya eze legidere ya mgbe ọ dabaje na miri bụ otu anya o legidere tutuu ike gwụ. Ụla adighi ya mma, ịnọdụ n'ebe ahụ adighi ya mma. Otu o siri dị ya ugbu a dị njọ karịa otu ọ dị ya mgbe ọ hubeghi ya anya. Ya si na ya mara na ọ ga-adị otu a, na ya agaraghi isogbu onwe ya ịchọ onye nwe nzọ ụkwụ a; na ya gara ịhapụ ihe nile otu ọ dịbara ka ọ dịba. Ma na ugbu a ya gbalịrị hụ nwanyị a anya, ya amaghi otu ya ga-eji dị ndụ ma ọ bụrụ na ya alụghi ya. Mgbe ha na-ala ọ gbụpụghi "tụm" site n'ebe ahụ ruo ụlọ. Ọ bụkwaghi ya nọ, kama ọ bụ ubekelefu ya. Nke mere egwu jiri tụba ndị ohu ya karịa bụ na otu ụtụtụ otu n'ime ha kelere ya, "Nna anyị ukwu, ị bọọla chi?" Ọ gbachikata nkịtị chịchapụ anya ka onye nkụja kpara si, "Iyaa, nwa m, ada eze bi n'osimiri Bingo." Ndị ohu ya, onye ị hụrụ o lee ibe ya anya.

## ISI 6

### *Eze gbalịa nke ugbo abụọ*

Otu ụbọchị onye eze ahụ chetara nkwa o kwere o mezubeghi, na ya ga-eme ka ọnọdụ onye ọ bụla nke gosiri ya ihe ya ga-eme ka ya were hụ nwanyị ahụ anya, dị elu nke ukwu. O wee nye ohu ya nke hụrụ ọhụ ahụ ezi ọgwụ a na-akpọ "ogbu nnụ ọrịa." Nke ahụ mere ahụ ya dị ike. O nyekwara ya ọtụtụ akụ dị iche iche nke mere ka nwa ohu ahụ baa ọgaranya n'ụlọ ya. Eze were sị ndị ya ọzọ: "Ugbu a unu ahụla ihe m meere onye nke gosiri m ihe m mere wee hụ



onye ahụ anya. Ọ bụrụ na onye ọ bụla egosi m ihe m ga-eme ka m were jide ada eze a, mee ya ka ọ ghọọ nwunye m, m ga-enye onye ahụ okpukpu asaa ihe m nyere onye mbụ."

Nkwa nke a emee ka ha nile gbapụsịa, tinye isi n'ọhịa na n'ụzọ, ịchọ ihe nna nwe ụlọ ga-eme ka o were jigide nwa agbọghọ ahụ. Ha jekwuru ndị amamihe nile bi n'ebe nile madụ bi n'ụwa nke a, ma ọ dighi onye nwere ike igosi eze ihe ọ na-achọ. N'ikpeazụ otu ohu nke ọ chụpụrụrị site n'ogologo oge gara aga ezie ya ozi ka ọ bịa hụ ya n'ime ọhịa ebe ya bi. Ohu a bụ onye ahụ na-adighi mma. Ọrịa ya jọrọ njọ nke ukwu n'ihi na ọnya juru ya n'ahụ. Ọ bụ ọrịa a na-kpọ nchịcha. O nweghi onye na-enyere ya aka. Ebe ọ bụ ohu, o nweghi nwanne nwoke ma ọ bụ nwanne nwanyị. O nweghi nna ma ọ bụ nne. O nweghi ikwu na ibe. Ọnya dị ya n'ahụ na-esi ajọ isi, n'ihi nke a ka eze ji nye iwu ka a chụpụ ya, e wee chụpụ ya. Ohu a nọ na nrọ otu onye agwa ya ka ọ kara eze na onye ga-agwa ya ihe ọ ga-eme bụ otu onye nke bụ onye ọzụzụ atụrụ nke bi n'ebe anyanwụ na-ada. Ọ bụ ihe ahụ ọ rọrọ na nrọ ka ọ na-achọ ịkọrọ ya.

Eze gbaa n'aka si: "Ọ bụchakwa n'ihi na m na-achọ ịlụ nwanyị a ka m ga-eji za oku nile ndị bụ madụ na ndị na-abụghi madụ kpọrọ m? Agaghi m aza oku nke a." Ọ bụ ezie na o kwuru na ya agaghi aza oku ahụ ma mgbe nile ọ dighi ebe ọzọ obi ya na-aga karịa n'ahụ nwanyị ahụ. Ọgwụ kpọọ ya n'ụkwụ ọ bụ nwanyị ahụ ka ọ na-enye n'enyinye. Mgbe ọ bụla obi ya chetara ada eze bi n'osimiri Bingo, obi anaghi adịkwa ya mma. Ọ dighi ihe ọ bụla madụ mere na-adị ya mma. Agụụ iri nri anaghi agụkwa ya. Mgbe ndị ụlọ ya hụrụ dị ka otu o ji ata ahụ n'ihi nwanyị ahụ, ha jekwuru ohu ahụ nke dị n'ọhịa ka ọ kaara ha

ihe ọ na-achọ igwa nna nwe ụlọ. Ohu ahụ zara ha si: "Ọ dighi ihe m ga-ekwu ma ọ bụrụ na nna nwe ụlọ ejighi ụkwụ ya bịa n'ebe a." Ọgaranya ahụ achọghị iji ụkwụ ya gaa n'ihi na o kwuru na ya agaghi aza oku ahụ. Ndị ohu rụgide ya si: "Mgbe ị na-anwụ n'ihi nwanyị a, o kwesiri kaigaa mata ihe ọ na-achọ igwa; e leghi anya ọ ga-abụ ụzọ ị ga-esi jide nwanyị ahụ." Ugbu a emepụrụla ha ya ihere n'ihu, o jikere jebe. Mgbe o ruru, ohu ahụ asị ya: "Ohu gị tọgbọ n'ute ọrịa ma lee otu onye kwuru m na nanị ihe ị ga-eme ka ị were jide onye ahụ ị na-achọ ijide bụ ijekwuru onye ọzụzụ atụrụ nke bi n'ọdịda anyanwụ na nanị ya pụrụ igosi gị ihe ị ga-eme."

## ISI 7

### *E mechaa aka eze kpara ya*

Onye ọzụzụ atụrụ bụ enyi onye ọkọ ọgwụ nke mere ka ada onye eze a gbalaga n'ime miri. Otu ụbọchị mgbe ha madụ abụọ nọ na-akọrịta akụkọ ka onye ọkọ ọgwụ ahụ gwara onye ọzụrụ atụrụ a na onye ọ bụla nke ga-eme ka nwanyị ahụ daa n'ala bụ onye ga-alụ ya.

Eze were zọlie jebe n'ọdịda anyanwụ ịhụ onye ọzụzụ atụrụ. Mgbe o ruru ọ dighi mgbe o weere mpako ya bute ụzọ dị ka otu o mere na mbụ mgbe o jere n'ebe anyanwụ si awa, kama o wedara onwe ya n'ala we rịọba onye ọzụzụ atụrụ ka ọ kaara ya ihe ya ga-eme ka ya were jigide nwanyị ahụ ọ ghara igbụchapụnahụ ya. Onye ọzụzụ atụrụ jụba ya sị: "Olee ụzọ m ga-esi gwa gị ihe ị ga-eme ebe ọ bụ na amaghi m onye ị bụ ma ọ bụ ebe ị na-aga ma ọ bụ ebe i siri bịa?" Eze zara sị: "Mụ onwe m bụ eze



ukwu nke na-eme ọtụtụ ihe. Enwere m ụlọ abụọ, otu dị na Bingo nke ọzọ dịkwa n'elu igwe. Ọ bụ m na-eme ka ọkọchị na udu miri bịa.

Ọ dighi onye mara ụzọ nke e si aga na Bingo ma e wezuga mụ na ndị ohu m. Ala ahụ mara mma na-eto kwa mkpụrụ ihe ọkụkụ dị iche iche. Enwere m otu osimiri n'ebe ahụ ebe mụ na ndị ụlọ m na-asa ahụ. Otu ugbo m were hụ nzọ ụkwụ nke dị ka nzọ ụkwụ madụ. Echiche m gaa ebe dị iche iche banyere ihe onye ahụ bịara ime. Ugbu a ka m chọpụtara na ọ bụ nwanyị mara mma nke na-enweghi atụ. Obi m were dị n'ebe ọ nọ n'ihi na m na-achọ ịlụ ya dị ka nwunye. Ahụla m ya anya ma enweghi m ike ijide ya n'ihi na ahụ ya na-agbụ agbụ dị ka ọkwụrụ. Otu ohu m rọrọ nrọ ma na nrọ otu mmụọ agwa ya na nanị gị, onye ọzụzụ atụrụ, nwere ike igwa m ihe m ga-eme ka m nwee ike jigide ya.

Onye ọzụzụ atụrụ kwee n'isi sị: "Mụ onwe m amaghi ihe ị ga-eme ka ị were jide ya. Ihe m mara bụ na abụ m enyi onye ọkọ ọgwụ nke mere ka nwanyị ahụ jee biri n'osimiri Bingo. Otu ụbọchị mụ na ya na-akọrịta akụkọ o were gwa m na onye ọ bụla nke ga-eme ka ada onye eze daa n'ala bụ onye ga-alụ ya. N'ihi ya ndụmọdụ m bụ nke a: buru ụzọ chịkọta ihe nile na-alọ alọ, na-achịkwa achị n'ụkwụ, ka ọ ga-abụ na mgbe ọ ga-agbaghachi azụ n'ime miri ka o were daa n'ala." Eze kele ya, laba.

Mgbe o ruru ụlọ ya n'elu igwe, ọ kpọzuo ndị ohu ya nye ha iwu ọzọ ka otu onye butekwa otu abọ ahụ-ekere, butekwasị otu abọ n'ime ihe ndị a na-achị achị: achịhaa, ọkwụrụ, ụkwụkwa, akwụkwọ ọjị, ala n'ụkabị ma ọ bụ udunụkọ na ụrọ. E kwupụghi ekwupụ ha bujuo ihe ndị a elu na ala. Ndị ohu ya bulie ihe nile, ya onwe ya soro, ha gaba na Bingo. O were

wụsa ahụekere n'ebe dị anya site n'akụkụ miri. Mgbe ada onye eze ahụ bịara ịta ahụekere nke a wụsara, ya na ndị ohu ya esi ọhịa ọhịa je wụsachaa ọkwụrụ na ihe nile ndị a na-achị achị ha buru bịa n'okoporo uzọ nke nwanyị ahụ ga-esi agbaghachi na miri. Mgbe ha dozichara ihe nile n'ọnọdụ ha, ha chụba ya ọsọ. O wee daa n'ala ka ọ na-achọ ịgbaghachi azụ na miri. Eze na ndị ohu ya bịa jide ya n'ihi na ọgwụ nke na-eme ka ahụ ya na-amị amị arụọla, ọ dịkwaghi ire

## ISI 8

### *Ọlụlụ Nwunye*

Ọ bụghi ọnụ ka e ji ekwu otu obi si tọọ eze ụtọ nke ukwu, n'ihi na abụba ugo ahụ eruole ya aka. Eze kwụrụ ọtọ dochichaa ahụ nile ahụ ọ tara. O were bupụta ọtụtụ banị nsi egbe, kpopụta egbe kpoi ndị ya. Egbe na-ezepụ yim yim. A na-egbutusị ọkụkọ, ewu na ehi. Ihe oriri na-eje ije ha jetere. Madụ nile, nke ka nke, ụmụ ntakịrị na ndinyom onye righa richaa, iku ume abụrụ ya okoro.

Otu a ka o nyegha ihe oriri na ihe ọṅụṅụ ruo ihe dị ka izụ atọ. Egwugidere ha egwu, gbagide egbe, tutu ruo ụbọchị ọ kwụsịrị oriri na ọṅụṅụ. N'ime izu nke anọ, ọ kpọkọrọ ndị ya nile jee n'ala nna nwanyị ya n'ihi na ọ na-achọ ịlụ ya alụ. Ha buru nkwa dị iche iche na ite egwu dị iche iche jeruo ala ọgọ ya nwoke n'ọwụwa anyanwụ, mezuo dị ka omenala siri dị makwasị ụma. Eze na nwanyị ahụ were lụọ di na nwunye.

O dịghi anya nwunye ya aturụ ime mụọrọ ya nwa nwoke. O wee kpọ aha ya Ọgụ. E mesịa nwanyị ahụ atụkwasi ime mụọ kwa nwa nwoke ọzọ, ọ kpọọ



aha ya Mgba. Ụmụ ntakịrị abụọ ndị a were na-eto nke ukwu na-amakwa mma. Eze were malite ime okenye. Otu ihe bụ ihe na-enye ya mmekpa ahụ mgbe nile. Ihe ahụ bụ onye ga-anọchi anya ya mgbe ọ nwụrụ.

N'ime ndị ohu ya otu bụ nke a na-akpọ "E zi a mara." Mgbe nna ya ukwu gbatara ya ọhụrụ, ọ jụrụ ihe bụ isi aha ya ahụ. Ohu ya kọọrọ ya na nna ya ma "E zi a mara" siri na mgbe nna "E zi a mara" bụ nwanta, madụ abụọ dị n'obodo ha. Otu zara "E zi a mara" nke ọzọ na-aza "'A machagburu ihe nile" Otu onye gbuo ewu were aka na ụtakụ nye "E zi a mara" werekwa aka na ụtakụ nye "A machagburu ihe nile," sị ha: "Abalị asatọ ta a chịlataranụ m anụ ndị a. Unu chịlataje ha, ka ha na-agbacha ọbara otu ha dị ugbu a."

"A machagburum ihe nile" chịrị nke ya la jee mịị n'ọkụ. "E zi a mara" chịrị nke ya jekwuru enyi ya jụba ya otu ya ga-eme ihe nke a n'ihi na ya amaghi otu anụ e gburu ta a ga-eji na-agba ọbara n'abalị asatọ ta a. Enyi ya sị ya: "Ọ bụrụ na i nwere ewu ha ka nke a o gburu sie anụ ndị a rie. Abalị asatọ ta a gbo ewu ha ka nke a o gburu, bọpụta aka na ụtakụ chịgara ya." "E zi a mara" mee otu e ziri ya.

N'abalị asatọ "A machagburu ihe nile" chịrị ndị nke ya ọ mịkpọchara amịkpọ bịa. "E zi a mara" chịrị ndị nke ya ọ ka bọpụtara mgbe ahụ mgbe ahụ na-atasị ọbara bịa. Madụ ahụ nke nyere ha anụ ndị a too "E zi a mara" sị na o nwere akọ na uche chịghachi ya anụ ewu ọ chịrị bịa kpụrụ otu okiri kpụị ya. Ma "A machagburu ihe nile" ka ọ napụrụ nke ya, sị na ọ bụ onye iberibe, meichaa ya ihere n'ihu ọha, chụpụ ya. Nke a mere ka mgbe nwunye nna

"E zi a mara" dị ime jiri mụọ nwa, nwa ahụ bụrụ nwoke, nna ya were gụọ ya "E zi a mara". Site n'ụbọchị ahụ ọ kọchaara eze otu nna ya ma ohu ahụ siri nye ya aha ahụ, eze mụta ihe n'ime ya. Nke bụ na mgbe ọ bụla ihe na-ara ya ahụ, ọ ghaghị ikọrọ ndị ohu ya. Ya mere mgbe echiche onye ga-anọchi anya ya mgbe ọ nwụrụ na-eche ya, ọ kọtụchaara ndị ohu ya sị ha ka ha nyere ya aka iche echiche banyere ihe ya ga-eme.

Mgbe ihe ndị a na-eme Ọgụ na-eje ebe nile na-alụsị ihe ọ bụla nke ọ hụrụ ọgụ na-egbukwa ha, ma madụ ma anụmanụ. Otu n'ime ihe o mere siri ike bụ itigbu ọdụm n'aka. Ọdum bụ anụ nke ọtutu madụ kwuru na ọ bụ anụ kachasị anụ nile ike. Ọ na-egbu agụ. N'otu ala nke a na-akpọ Ala Ndị Oji ọdụm na-egbu madụ hi nne. Ndị obodo ahụ enweghi ihe ha ji egbu ha. Ọ dighi ka oge dị ugbu a mgbe ndị ọcha chọpụtara egbe dị iche iche dị ka egbe otu ọnụ, ma nke ọnụ abụọ ma erefere. Ọnya ndị ala ahụ nwere bụ nanị ọnya dị ka igbudu e ji egbu ụmụ anụ dị ka nchi, na ururu, na ewi na ụmụ irighiri anụ ndị ọzọ. O sighi ike dị ka ọnya igwe isi abụọ ma ọ bụ ọnya"wire"* nke e ji egbu anụ ukwu siri ike dị ka agụ, na atụ, na uturu na ezi ọhịa n'obodo dị ka Ozuakọli na Ozuitem, na Item dị n'okpuru Bende.

Site n'ihi ya ọdụm baa ụba n'ala ahụ nke ukwu. Mgbe ndị ala ahụ nụrụ na Ọgụ na-awaghari n'ọhịa n'ebe dị iche iche alụsị anụ ọ bụla ọgụ na-egbukwa ha, obi dị ha ụtọ nke ukwu n'ihi na ha maara na otu ụbọchị onye ahụ ga-ejeru ala ha gbuo ọdụm ndị a nke na-enye ha mmekpa ahụ.

Ọgụ bụ onye buru ibu dịkwasị ike. O nwere mkpụrụ aka isii na mkpụrụ ukwu isii. Ọ naghi eri ihe mgbe nile kama ọ na-eri n'afọ n'afọ. Ihe dị ebube n'ahụ



ya bụ na mgbe ọ gaje iri ọ na-ericha ihe nnụ madụ enweghi ike iricha. Ọ naghi eji iko ma ọ bụ mpi anụ miri kama ọ bụ ihe dị ka ihe ndị bekee ji adọba miri a na-akpọ tank.† Mgbe ọ bụla e sichaara ya nri, ihe ọ na-eme bụ idieru ala okoroọbịa iri na abụọ aka siri ike achịrị ọgụ bekee a na-akpọ spade‡ ekuru nri ahụ awụnye ya n'ọnụ. Ọ bụrụ na ọ chọba ịnụ miri ha nile etinye aka buru miri nke juru n'ite miri na-agbai ya n'ọnụ tutu ha agbaichaa ihe dị ka ohu ite miri. Ndinyom ndi na-egwere ya anwụrụ nke ọ na-akpọ dị ọgụ ndinyom ise. Anwụrụ ọ na-akpọ n'otu ugbo bụ potiri ma ọ bụ ọgaze anwụrụ.

* *"Wire" bu okwu bekee.*

† *Okwu bekee; a na-akpọputa ya "tank" n'okwu Igbo.*

‡ *Okwu bekee; a na-akop ya "speid" n'okwu Igbo.*

Mgbe o ruru ala ahụ ebe ọdụm na-egbu ọtụtụ madụ, obi tọrọ ndị bi n'ala ahụ ụtọ n'ihi na ha chere na ọ bụ nanị site n'arịrịọ ha ka ọ ga-eji gbuchasịara ha ọdụm ndị a nile. Ha were bịakwute ya sị: "Nna anyị ukwu, lee aka lee ikprere, anyị adaa n'ala na-arịọ gị ka i nyere anyị aka. Otu anụ ọhịa dị nke ọ dighi onye nwere ike igbu, aha ya bụ ọdụm. Di nta nile dị n'ala anyị emechaala nwa ike ha ma ha enweghi ike igbu ọdụm ndị a. Ụmụ ihe egbe ha ji agba ya, dị ka ọkwụrụ, na adaka, na cham, adighi nke na-emepụ ya ọbara. Lee, ọ dighi anụ ọhịa ọzọ dịkwa n'ala anyị ma ọ bụghi nanị ọdụm. Ha na-egbu anụ ụlọ nile anyị nwere na-egbukwa anyị onwe anyị. Biko nyere anyị aka n'ihi na anyị nụrụ na nanị gị bụ onye nwere ike igbuchasị ha nile."

Ọgụ kwee n'isi sị: "Nanị ihe unu ga-enye m bụ nri n'ihi na agụụ ji m aka nke ukwu." Ha kwere. Ma mgbe ha lechara ụdịdị ya anya, ha kpọọ n'ubu. Egwu

tụrụ ha ma ha ga-enwekwa ike inye ya nri ga-eju ya afọ.

Ha deruo olu ala jụba ya otu o si eri nri, ma ọ na-eri ihe dị ka abọ ji ole? Ya dapụ n'ọchi, kohi kohi kohi, sị: "Unu enweghi ike igụta abọ ji m na-eri ọnụ. Ihe unu ga-eme bụ inye iwu ka madụ ọ bụla chịịrị akwa ruru, ma ikom ma inyom, bute otu onye otu abọ ji, otu onye otu abọ ji. Mgbe ahụ unu ga-ekuju miri n'ọtụtụ ite miri mekwasịkwa ka ndinyom ala unu gwee otu ọgazị anwụrụ. Mgbe ahụ ka unu ga-eme ka ụmụ ọgazị anwụrụ. Mgbe ahụ ka unu ga-eme ka ụmụ okoroọbịa aka tara ike chịrị ọgụ bekee iri na abụọ bịa ka ha wee na-ekunye m ji ahụ nile n'ọnụ." Ha nile, onye ị hụrụ ọ saara ibe ya aka, gbaa ọlọ aka naabọ. Nke pụtara na madụ a na ụzọ nile o ji eri ihe ma ọ bụ eme ihe bụ enweghi oyiri.

Site n'ihi na ndị ala ahụ adịghi ọtụtụ, madụ nile butere otu onye abọ ji abụọ, ma ndikom ma ndinyom. Mgbe o richasịrị nri ahụ o dinaruo ala rahụ ụra abalị asaa. N'ụbọchị nke asatọ o were tete mgbe ọ kpọchara anwụrụ, ọ kpọkọta ndị ala ahụ ka ha bịa gosi ya ebe ọdụm ndị a bi. Ha duru ya baa n'ọhịa gbara obodo ha gburugburu. Ọdụm na-akpa ka ọkụkọ n'ime ọhịa ahụ. Anya ọdụm ndị a na-ahụpụ ya, ha ziri bịa. Ndị duru Ọgụ bịa rigorochaa n'elu osisi nọrọ ekiri ebelebe na-egbu. Ọgụ guzo n'otu ebe. Ọdụm nke tụọrọ ya, o were obodobo obe aka ya abụọ tọọ nke ahụ n'olu, hee ya gburugburu dị ka otu ndị Igbo anyị si egbu ọkụkọ. Ọkpụkpụ olu agbakwoo nke ahụ, ọ sụhapụ ya jide nke ọzọ. N'otu ebe ahụ ka ọ nọrọ gburuo ha ihe ruru ọgụ abụọ. Egwu ekwekwaghi ndị ọzọ abịa. Ọgụ na ndị obodo ahụ chụba ha ọsọ, ndị obodo na-achụ Ọgụ ana-agbachi agbachi, ejide ha egbu. Mgbe chi jiri ha nile laa.



N'echi ya ha bata kwa n'ọhịa ahụ ọdọ. Ọdụm ole na ole ndị gbalagara ụnyahụ gbafusịa. Ọ dịghi onye hụrụ mkpụkpa kpara ha na njụjụ jụrụ ha. Site n'ụbọchị ahụ ọdụm hapụ ala ahụ jefuo. Ndị obodo ahụ ahụghi ọnụ ha ji ekele ya ekele. Ihe nile ha tụkọtachara inye ya adịghi nke ọ kpatụrụ aka mgbe ọ na-azọli.

Mgbe Ọgụ na-ejeghari na-alụsị ihe nile ọgụ, Mgba na-ejegharịkwa ya na anụmanụ nile dị ike na ụmụ madụ nile na-agbakwa mgba. Ihe mbụ e jiri tụba ya egwu bụ nke a. Ọ dị otu onye n'otu obodo a na-akpọ Abọsi Teghete. Ntutu aha onye ahụ bụ "Azụ eru ala," ma ezi aha ya bụ Ụchị. Ndị ala ahụ jibe ya ekwu okwu ruo taa. Madụ kpakata nganga mgba a jụọ ya ma ọ bụ Ụchị. Ọ bụ ezi dimkpa topụru etopụ. Ọ dịghi aghụghọ mgba ọ maghi, ịtụ ọkalị, ikpọ uge, ịtụ nchi aka, igbu aka n'olu na ọtụtụ ụzọ ndị ọzọ. Ọka mgba ọ bụla ya na ya gaje igba, ihe Ụchị na-eme bụ igba akara gburugburu sị onye ahụ na ọ bụrụ na ya atụighi onye ahụ nime akara ahụ ọ gbara gburugburu na ọ pụtara na onye ahụ ejidele ya.

Ụbọchị Mgba jeruru Abọsi Teghete, ekwe mgba na-ada n'Amaọgbụ, otu ọnụma n'Abọsi Teghete. Nrute ọ na-erute ya jide dimkpa ise n'egwughi ike n'ala. Ozi ruo Ụchị nọ n'ụlọ ntị sị na emebe emee. Mgbe Ụchị bịara, ihu ha abụọ kpọrọ. Ụchị mee nta mee imo ijide ya, o nweghi ike. Mgba mee elu mee ala ka azụ ruo Ụchị ala, ma o nweghi ike. Ha abụọ bitọọ, kwerịta onwe ha n'aka. Ma na ihe Mgba jiri buru ọka aka bụ na o jidere otu anụ ọhịa nke nyịrị Ụchị na njide. N'ala Ndị Oji nile ọ bụrụ na madụ na-agba mgba nke ukwu a na-ajụ ya sị: "Ị bụ adaka?" Adaka bụ anụ ọhịa dị ike mgba karachaa anụ ọ bụla na madụ ọ bụla: ma nanị onye jidere ya na mgba bụ nwa eze ahụ aha ya bụ Mgba.

## ISI 9

*Ihe mere Ọkpara na-anọchị anya nna ya*

Mgbe ụmụ ntakịrị ndị a siri n'ije ha lọta, Eze ahụ na ndị ohu ya akpọọ ha jụọ ha ihe dị iche iche ha mere n'ebe ha gara. Ọgụ kọrọ ha akụkọ otu o jiri gbuo ọdụm n'ala Ndị Ọji. Mgba kọkwaara ha otu ya onwe ya siri jide adaka bụ anụ kachasị anụ nile ike na mgba, nke Ụchị (azụ eru ala) na-atụrubeghi ala. Ihe abụọ nke ụmụ ntakịrị ndị a mere bụrụ ihe dị ịtụ n'anya nye madụ nile. Ihe eze na ndị ohu ya kwuru bụ na onye nke ga-eme ihe tụkarịrị n'anya ga-anọchị anya nna ha mgbe nna ha nwụrụ.

Ebe ọ bụ na ha abụọ ha nhata nha n'ike, ihe ọzọ nke a na-achọ ịmata bụ onye nke makarịrị ibe ya n'amamihe, n'ihi na onye ọ bụla nke ga-anọchi ịbụ eze ga-enwe akọ na uche nke ga-enyere ya aka ịchị ndị ga-anọ ya n'okpuru. Eze were sị na ya na-achọ ka ụmụ ya mee ihe atọ, na onye ga-eme ihe atọ ahụ ma ọ bụ abụọ n'ime ha nke ọma bụ onye ga-abụ eze.

Ihe mbụ bụ nke a, na ya na-achọ ka onye siri ike nke ukwu baa n'ime miri kpụpụta enyi miri na ndụ Nke abụọ bụ ịsa ajụjụ a: "Ihe mere ka ihu anyanwụ ji dị ka aziza na ihe na-eme ka mgbe ọnwa na-apụta, ọ pụta otu akụkụ, mgbe ọ na-ala otu akụkụ ka madụ na-ahụkwa." Ihe nke atọ bụ ịsa ajụjụ ọzọ: "Ihe mere madụ nọrọ n'ime ụlọ ya muo onye ọzọ emu, ọ naghị apụtara ya ụka."

Ime ihe atọ ndị a bụ ihe siri ike nye ụmụ ntakịrị abụọ nke onye eze ahụ. Otu ọ dị ha abụọ ejebe ebe





"ngwa ngwa ya puta malite ịta ya".

dị iche iche na-ajụ ajụjụ banyere ihe atọ nke nna ha chọrọ ka ha mee. Ọgụ ejebe n'ala Ndị Oji ịmata ma ndị ahụ o mereri ihe ọma ha ga-enyere ya aka. Mgbe o ruru o were ihe a kọchara ndị ala ahụ, obi tọọ ha ụtọ nke ukwu n'ihi na ndị amamịhe dị otụtụ n'ala ha.

Otu onye nke nwere ike ịghọ anụ miri na anụ nke bi na mkputamkpu ala apụta sị na ya nwere ike ịkpụ-pụta enyi miri na mkputamkpu ala. Ihe madụ a mere bụ ịghọrọ anụ miri jekwuru enyi miri, gwa ya na ya na-achọ ka ha abụọ were ogologo eriri kpụba onwe ha ka ha abụọ were mara onye kariri ibe ya ike. Ọ bụrụ na enyi miri akpụba ya n'ime miri nke ahụ pụtara na ike enyi miri kariri ike nke ya onwe ya. Ma ọ bụrụ na ya akpụpụta enyi miri n'elu ala nke ahụ pụtara na ike ya ka ike enyi miri.

Ha were yie ụbọchị ha ga-egwu egwu a. Madụ a wee ghọrọ anụ nke bi n'elu ala jekwuru enyi nke bi n'ọhịa. Ha abụọ zọọ iwu dị otu a. N'ụbọchị ahụ madụ a ejee gwa enyi nke bi n'ime ọhịa ka o jikere. O were dabakwa n'ime miri kwurukwa enyi miri ka ya onwe ya jikere. Enyi elu ala were isi eriri nke ya kee onwe ya gburugburu werekwa nke mapụtara kee n'osisi dị ya n'azụ. Mgbe ha malitere ịkpụ onwe ha, enyi nke elu ala akpụpụta enyi miri n'elu ala. Ọgụ buru enyi miri n'ubu ya gaa gosi nna ya, tipụkwa ọzọ.

## ISI 10

### *Ihe Mgba Korọ*

Mgbe ọ na-agbaị azụ Mgba gara ala Ụchị ha bata. Ihe nna Ụchị korọ nke ọ gbalatara ịbịa ịkọrọ nna ha bụ ihe mere madụ nọrọ n'ime ụlọ ya muo onye ọzọ emu, ọ naghi apụtara ya ụka dị ka ndị Igbo tụrụ



n'ilu na madụ anaghi anọ n'ụlọ ya anọkpọ mkpụrụ amụ. Ihe ọ kọọrọ nna ya na ndị be ya bụ nke a: "Otu mgbe ahụhụ ọcha na nwunye ya na ụmụ ha richara nri, ahụhụ ọcha sị ha na ihe ya hụrụ n'ibe nne ya ya siri lọta dị ya egwu; na ji ruuru ha abụghi ihe e ji ọnụ akọ; na ha bụchara dị ka aka ya na ụkwụ ya.

Mgbe ọ na-ekwu ihe ndị a nnekwu ọkụkọ nọ na-atụtụrụ ihe n'isi ekwu nwunye ahụhụ aṅaba ntị, nụtachaa ihe nile ahụhụ kwuru. Na mbụ ọ tọghi ya ọchị ma mgbe o jiri chechaa otu aka na ụkwụ ahụhụ ọcha ha, nke ọ ga-eji ha mawara ji ruru n'ibe nne ya atụ, ọ dahapụ n'ọchị, tụrụ nkịrịnkị ọchị tutu jee sọ ọnu n'icheku ọkụ dị n'isi ekwu. Ọkụ taa ya n'ọnụ. Ọ gbakarịa ala chọọ ebe ọ ga-emenyụ ya ọ hụghi, ọ gbapụ ezi tụọ ọnụ ya n'ogu ede n'ebe a zọrọ aja ahụhụ ọcha jiri tụọ ụlọ.

Otu anwụta bere n'ogu ede ahụ arahụ ụra. Ọ fọdụrụ nwa ihe nta ọkụ dị ọkụkọ n'ọnụ erechaa ya nku. Anwụta agba onwe ya ka a gbara akụ febaa oke ọhịa ulo ahụhụ ọcha gbaịrị azụ. Ọ maghi mgbe o jiri febaga enyi n'imi. Enyi na-ezi imi ịmara ma ọ ga-ezipụ ya, ya piororo n'eriri afọ ya si enyi n'ike fepu. Enyi chọọ ihe ọ ga-eme ọ hụghi, ya tụtụrụ mma o ji dị n'ala gbu. Mgbe ọ na-egbu anwụta ejemiele ụzọ, ihe o gbutere bụrụ agwọ gbatịrị n'alaka osisi anya anwụ.

Mkpirisi agwọ tipụ ọsọ, sọ isi ebe a sọ ebe a, ọ maghi ebe ọ ga-agbaga enyi gburu ya mma ejide ya, ya "sam" n'ime ọnụ ewi. Ewita si n'ụfụ ya tipụ tie na ụmụ anụmanụ agwụ. Enwe nọ n'agwa aracha ụtụ na-anụpụ ihe ewi tiri, ya sị ka ọ nọ mapụ mara tii isi. Mgbe ọ na-ama ọ zọjiri alaka osisi ụrụ kpọrọ nkụ. Osisi ụrụ si n'elu gbii n'ukwu mgbada dị ime



"na-egbu kwa ha, ma madụ ma anụmanụ."

nọ na-akpa nri. Mgbada tie mkpu, mee ka ọ ga-agba ọsọ ma ọ hụghi ike n'ihi na ime ọ dị bụ ime ọmụmụ. Ya kpụrụ na-akpụbaje n'ime akọlịkwụ, zọwaa akwa ọkwa. Ọkwa felie, bee:

"Chọ nchọghịrị chọghịrị
Chọ nchọghịrị chọghịrị
Chi eji eji chi abọ abọ
Chi eji eji chi abọ abọ."

Atụlị si n'elu si n'ala kwechie.

## ISI II

*Ihe Mgba Kọrọ*

Ụmụ madụ na anụmanụ rahụgha ụra tutuuu ụra ekwekwaghi ha nrahụ. Ha diekata n'ala azụ na-afụ ha ka ose. Onye ọ bụla na-ajụ ihe bụ isi nke a.

Ebe a pụrụ a na-anụ mkpu akwa ụmụ ntakịrị n'ihi agụụ n'ihi na a hụghi ụzọ ịchọrọ ha ihe oriri. Ọchịchịrị gbachịkọtara ebe nile.

Mbe biri aka ala pụọ n'ama ụmụ anụmanụ kụọ ogele ya otu ọ na-abụ ọ kụọ ya a mara na ala arụọ.

Tịñọ Tịñọ Tịñọñọñọ
Tịñọ Tịñọ Tịñọñọñọ

Agụ ha na ndị ọzọ gbazuo n'obodo ha n'ọchịchịrị ahụ. Mbe sị na ya kụrụ ogele iji kpọkọta ndị nwe obodo ka ha bịa dekọta isi otu ebe chọba ihe mere ihe a, n'ihi na nza ọgụ afọ iri ya bibere n'ala ahụ ya ahụbeghi, ndị mụrụ ya akọbeghikwaranụ ya na chi ekweghi ọbụbọ. Ha nile kwekọta ka a gajụọ ọkwa isi ihe a. Ọkwa: "Ụmụ nne m, ekpu m n'akwa m n'ime akọlịkwụ ebe m yiri ha iji gbalahụ ndị di nta na nkịta

ha. Mgbada dị ime, nwanyị na-amụ nwa dị ka m, bịa gwepịakọta akwa m. Ọ bụ ya mere m jiri bee akwa.

Chọ nchọghịrị chọghịrị
Chọ nchọghịrị chọghịrị. Tikuo
Chi eji eji chi abọ abọ
Chi eji eji chi abọ abọ."

Ụmụ anụmanụ nulie si ka a ga be mgbada jụta ya ihe mere o jiri zọwasịa akwa ọkwa.

Mgbada: "Ndị nwe m, unu maara otu ahụ na-adị nwanyị dị ime, tụmadị onye ga-amụ ta a na echi. Agụụ gụkatara m, mu jisie ike gbebaa n'ọhịa ịkụbiri akwụkwọ osisi ole na ole. Ihe ị nụrụ bụ gbiii n'ukwu nta jifọrọ ntaa. Ya bụrụ enwe zọjiri nkụ ụrụ ahụ dara m n'ukwu ebe m chere na o tikwopụla m nwa, mgbe m gbebaje n'akọlịkwụ, ka ọ ga-abụ na ọ dị nke mebere, a muọ ya n'elu ahịhịa, amaghi m na ọkwa kpu n'akwa ya n'ebe ahụ. Elezighị m anya."

Ụmụ anụmanụ sị na ha ahụghi ihe yiri ụgha n'ihe mgbada kọọrọ ha, kama ka ha jebe be enwe.

Enwe: "Ikwu na ibe, anọ m n'agwa aracha ụtụ. Ihe m hụrụ bụ ewi siri n'ụfụ ya tipụta tie na ụmụ anụmanụ agwụla. Mkpu o tiri kpara m nkụja m were mapụ makwasị n'alaka ụrụ kpọrọ nkụ. Ya nyajiri daa mgbada n'ukwu. Ọ bụ ezie na ụmụ nwoke adighi amụ nwa; ma anyị maara otu ahụ na-adị nwanyị dị ime. Unu chere na m leziri anya mee ka osisi daa ya n'ukwu?"

Ụmụ anụmanụ lerịta ibe ha anya sị na ọ dị mma ka ha je jụo ewi isi ihe o jiri tie na ụmụ anụmanụ agwụla.

Ewi: "Ụmụ nna m, esi m ebe m gara ịkpụta mkpụrụ akwụ lọta na-ezu ike. Agwọ kwosiri ọbara tibata n'ime ọnụ ebe m bi. E kwuru na awọ anaghi agba ọsọ ehihie ụkpọrọ. Ya mere mkpu jiri pụnahụ m n'ọnụ, na ebe agwọ gbaje ọsọ dị otu a ọ pụtara na ihe ọjọọ emeele."

Ụmụ anụmanụ hapu ya tụrụ ụzụ gaba be agwọ.

Agwọ: "Ọha na eze, unu anwụla, ọ na-eme ụbọchị chi jụrụ oke oyi n'ihe dị ka ụnyahụ, o ruo ọ dị ka ta a anyị ma agwọ na-arigo n'agwa ma ọ bụ n'alaka osisi nọrọ anya anwụ. Ọ dịghi esemokwu dịrị mụ na enyi ochie nke m ga-asị na ọ bụ ya mere o jiri were mma mabie m abụọ. Mgbe m chechara ma ọ dị ihe m mere ya ma ahụghi m, m tipụ ọsọ gbabaa na ọnụ ewi. Onye ma ma ọ bụrụ na m agbaghi ọsọ, ọ gara igbupụ m nke bụ isi."

Ụmụ anụmanụ gbaa n'aka si ka ha gaba be enyi.

Enyi: "Ndị be anyị, unu abịa. Ije unu a gwụrụ m ike n'ihi na amaghi m otu m ga-esi de ọnụ ịkọrọ unu ihe mere. Bikonu, anọ m na-akpa nri, akaghi aka ekwughi ekwu, ihe ị nụrụ bụ piororom n'imi m. Ya bụrụ anwụta. Aka m na-ezi imi ịmara ma m ga-ezipụ ya, ebe m nụrụ nkụtụ ya bụ n'eriri afọ m. Aka m na-eche ihe mụ na ya ga-eme, ya si m n'ike fepụ. Amaghị m otu o dị m adị. M were tụtụrụ mma, mgbe ahụ m nụrụ mkpatụ ya n'ike m, sị ka m mabie ya abụọ, amaghi m na o jewaralarị. Onye buhara ihe ndị a bụrụ agwọ, onye ọ dịkwaghịrị okwu dịrị mụ na ya."

Ụmụ anụmanụ sị ka ha pụkwube anwụta, na ya ma ihe ahụ tara ọkpa ga-ebuhacha ahụhụ a nile ha na-ata.

Anwụta: "Ndị nwe madụ unu leekwa, agajeghi m iso ya ogologo. Anyị ma anwụta ji ehihie mere

abalị n'ihi na n'abalị ka anyị na-apụ ịkpa nri. Ya mere, ebere, m n'ogu ede dị n'ogwugwu ebe ahụhụ ọcha zọrọ aja o jiri rụọ ụlọ; nọrọ-kwanụ n'ebe ahụ ezu ike, ụra buru m. Ọ dịghinị mgbe ọnụ na-anọ ọkụkọ durii. Amaghi m ebe ọ gara kpụta ọkụ bịa sọ m, fọ ntaa ọkụ erechapụ nku m. Mgbe m si n'ụra walite fepụ amaghi m na ọ bụ n'okoghoro imi enyi ka m febagara. Anọ m na-achọ otu m ga-esi si n'ime afọ ya pụọ were hụ onwe m n'ike ya, ndị nwe madụ, m kelee Chineke, fefuo. Mgbe ọ bụ ọ na-egbu mma, onye ka hụrụ mkpụkpa kpara m na njụjụ jụrụ m. Akpachaghi m anya fekpuru n'imi ya."

Ụmụ anụmanụ sị na otu ha nile ha, bụ ndị butere ọkpaị a, na ha ga-ejezụcha n'ụlọ ha; na mgbe ha ejekata nta ha hụrụ onye buisi ihe nile. Ka ha gaba be ọkụkọ dị ọnụ ka ọ na-afụ opi.

Ọkụkọ: "Ọha mmammanị, chi m kere m ịna-epioghari ebe nile a tụrụ ụmụ irighiri ihe dapụrụ n'ala mgbe ndị ọzọ na-eri ihe. Otu a ka m jiri bata n'isi ekwu nwunye ahụhụ ọcha, hụ ụmụ ihe dapụrụ n'ala n'ebe ahụ a tụrụ. Ahụhụ ọcha nọkwanụ n'akụkụ ụlọ ọzọ akpara ụmụ ya na nwunye ya na ji ruru nke ukwu n'ibe nne ya, n'afọ nke a; na ha hacha ka aka ya na ụkwụ ya. Mgbe m chechara otu aka na ụkwụ ya ha, nke ọ ga-eji were ha tụnyere ji ruru n'ibe nne ya, ọchị tọba m. Anọ m na-akpọ nkịrịnkị ọchị jee gwu ọnụ n'icheku ọkụ. Ebe m enweghi aka m gara iji tichapụ ya, m gbajebe n'ogu ede ịtụ ọnụ m na ya. Unu ahụlanụ ụdịdị ụkwụ anwụta, amakwanighi m na o bere n'ebe ahụ. O were fọ ntaa ọkụ ataa ya. Ọ gwụ m n'olu."

Mgbe ọ nọ na-akọ ihe a, ụmụ anụmanụ nile bịara nọrọ achị ọchị n'ime obi ha n'ihi aka na ụkwụ ahụhụ ọcha o ji na-atụnyere ji ruru ukwuu. Ebe ọ bụ na ọkụkọ akọchaala, ha nile ticha aja n'ike jebe be ahụhụ ọcha. Mgbe ha na-aga amarala ha na ihe nile adarụọla.

Ahụhụ ọcha: "Ndị nwe ọchị nwere akwa, unu ndeewo, ọ bụ ezi okwu, ejechara m ikwu nne m lọta. Nke bụ ezi okwu ji ruru n'obodo ahụ adịghi ebe o ruru ahụnwaa. Mgbe m lọtara anyị richaa ihe, m were na-akọrọ ndị be m ihe m hụrụ, kwute ihe banyere ji. Ike na Ụjọ bi n'ọhịa bịara n'ebe be m kwa ka mụ na nwunye m na ụmụ m nọ na-akọrị. Ọ bụghi kwa n'ama."

Mgbe ụmụ anụmanụ pụrụ n'izu, ha kpọọ mbe ka o soziere ha isi okwu nile. Mbe si n'isi sozichaa ihe nile e kwuru na ihe nile e mere, sị na n'uche ya onye ihe nile nyagidere n'isi bụ ahụhụ ọcha ma na madụ anọbeghi n'ụlọ ya kote okwu n'ihi ihe o kwuru n'ime ụlọ ya. N'ihi ya ka ha je rịọ ọkwa ka o beghachi ihe o bere, rịọ kwasị ya ka ọ gbaghara. Ha nile kwere. Ọkwa beghachi ihe o bere. Chi bọọ, ụmụ anụmanụ kụị isi n'ọhịa na n'ụzọ.

## ISI 12

### *Akụkọ abụọ Ọgụ kọrọ biri okwu*

Nkọcha Mgba na-akọcha ihe mere okwu madụ kwuru n'ime ụlọ ya ejighi ekotere ya ụka, nna ya na ndị nile ọ kọọrọ ya ma akụkọ nke a nọrọ na-akpọ isi ala ọchị, Ọgụ bata. Ha nile hichaa anya miri na-agba ha n'ihi ọchị, sị ya na ọ dị ihe ike ji ya zi ya ogwe asụ. Ya were kọọ ihe onye amamihe ọzọ kọọrọ ya banyere ihe mere ka ihu anyanwụ ji dị ka azịza na ihe mere ka mgbe ọnwa na-apụta, ọ pụta otu akụkụ, mgbe ọ na-ala otu akụkụ ka madụ na-ahụ. Akụkọ ya dị nke a; "Otu

mgbe anyanwụ lụrụ otu nwanyị aha ya bụ ọnwa. Otu ụbọchị okwu seere ha. Anyanwụ wee iwe dị ọkụ ma n'ọnọdụ iwe ya ahụ o were mma gbuo onwa gbụwaa ya ihu abụọ. Ọnya ahụ anaghi ekwe ngwọta. Ọ bụrụ na agwọgha ya mgbe ọ lafọrọ ihe nta ọ malite ire ọnya ọzọ. Nke a butere anyị ji ahụ nanị akụkụ ọnwa mgbe ọ na-apụta ọhụrụ ma ọ bụ mgbe ọ na-anaghi agwụ agwụ, otu ụbọchị anyanwụ were bata ilete ya, ọnwa were azịza sọ ya n'ihu. Nke a mere ka ihu anyanwụ jiri dị ka azịza,"

Nna ha Ọgara olụ n'afọ lọta n'afọ na ndị ohu ya toro Ọgụ na Mgba n'ihi ike ha na akọ na uche ha. Ma na ebe Ọgụ kọtachara abụọ n'ime ihe atọ nna ha jụrụ, Mgba kọta otu, a sị na Ọgụ ga-abụ onye ga-anọchi anya nna ha ma a chọọ ya a hụghi. Site n'ihi nke a onye ọ bụla nke bụ ọkpara bụ onye na-anọchi anya nna ya mgbe nna ya nwụrụ. N'ebe nile madụ siri biri, ma n'isi oji ma n'isi ọcha, ka ihe dị otu a na-eme.





"enyi . . . akpụpụta enyi miri."

## IGBO-ENGLISH GLOSSARY

**adaka,** *n.* any species of big monkey; **adaka ukwu** near Ọkigwe is a very large monkey, blue-grey in colour with a name of ruff.
**agbisi-isi** (agiri-isi, Abụba-isi), *n.* hair on head.
**ahuekere, (Asiboko),** *n.* ground-nut.
**aji,** *n.* wool, hair on animal or on limbs of human beings.
**akọ na uche,** *n.* all wisdom; lit. wisdom and thought.
**akwukwọ nju ọhia,** *n.* a rare leaf reputed to make one lose one's way by its touch on the skin.
**aṅara,** *n.*=**ofe,** one of the many plants of which the leaves are used for soup.
**arọrọ arọ,** *p.p.* imaginative; from rọ ihe—mould up (from beginning) an Ọwerre word.
**bibi,** *v.* spoil.
**chi achi n'ukwu,** *v.* make foot to slip; lit. "slip on the foot."
**da nha,** *v.* (1) make request in such a way that it cannot be refused; (2) punish (usually by a fine).
**dobe,** *v.* place.
**dunye,** *v.* send out.
**ebube,** *n.* here "personality," often "surprise."
**elili,** *n.* egusi (*citrullus vulgaris*). (seed of melon)
**gba gharii,** *v.* confuse.
**gbali,** *v.* try.
**gbapusia,** *v.* run out altogether.
**gbụ agbụ,** *v.* be slippery.
**gwe,** *v.* grind.
**ibubo,** *n.* wonder.
**ihe ọghịgha,** *n.* seeds sown by broadcasting.



**karịsịa** (karịchaa), excessively.
**kpụ,** *v.* (1) draw, drag; (2) shape, plane smooth, as in Ch. V.
**kwaa emu,** *v.* mock.
**lọ alọ,** *v.* be pulpy.
**lụsị ọgụ,** *v.* fight against.
**mkpọrọ,** *n.* chains.
**mkputamkpu,** *n.* raised land; (1) hilly.
**mmekpa ahụ,** *n.* discomfort, difficulty.
**mpako,** *n.* pride.
**n'echi ya,** on the following day.
**nkwa,** *n.* (1) drum; (2) promise; the vowel is often aspirated in speech to show (2)
**nọ naa,** approximates to the Imperfect Tense.
**nọchi anya,** *v.* lit. blocking eye of, used for "being in place of," so of "being heir to."
**ntabi anya,** *n.* "twinkling of an eye."
**nwụ,** *v.* take.
**nwụ,** *v.* die.
**nzọ ụkwụ,** *n.* footstep.
**ṅụ iyi,** *v.* take oath.
**okporo ụzọ,** *n.* path.
**omenala,** *n.* custom.
**oriri,** *n.* food, feast.
**ọdịda anyanwu,** *n.* West; lit. falling of sun.
**ọdụm,** *n.* lion.
**ọgazị,** *n.* usually guinea-fowl, often as here "Cask" of tobacco.
**ọgụ,** *n.* hoe.
**ọgụ,** *n.* war.
**ọgụ,** twenty.
**ọhụ (nhụ),** *n.* vision. ọhn (nhụ)
**ọkwụrụ,** *n.* *hibiscus esculentus,* called okro by Europeans.

**ọrịrị,** *n.* thought.
**ọwụwa anyanwụ,** *n.* East; lit. breaking of sun.

**potiri,** *n.* puncheon, a creek word.
**re,** *v.* rot (burn, when nasalized in speech), *v.* sell.
**rugide,** *v.* insist.

**-sa,** suffix, indicative of spreading.

**tigbu,** *v.* kill by hitting.
**tu ime,** *v.* conceive.

**ụdịdị,** *n.* form.
**ụmụ,** comp. forms the plural when it is necessary to show it.

**waghari,** *v.* wander about in.
**wị ara,** *v.* be mad.
**-wa (-we),** (dialectally -ba (-be) inceptive suffix.
**wezuga,** *v.* take away from.
**wute,** *v.* grieve.

**zọ iwu,** *v.* bet.
**zọli,** *v.* start off.